# IGBO CATHOLIC COMMUNITY (ICC)
# NEW YORK,
# AT ANGELA MERICI PARISH,
# BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 28TH SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR C)
## SUNDAY, OCTOBER 12, 2025

**HYMNS:**

| | |
|---|---|
| ENTRANCE: | K'ANYI KPOO ISI ALA |
| OFFERTORY: | ONYINYE OMA/CHINEKE ONYEOMA |
| CONSECRATION: | EZI CHUKWU NARA AJA |
| COMMUNION: | BIA NARA RIE |
| POST COMMUNION: | MY GOD I WILL PRAISE YOU |
| DISMISSAL: | KA MBA NILE TOO GI |

**UKWE MBATA**

Dinwenu, O buru na I dekotaa mmehie anyi, onye n'ime anyi ga-akwudo? Ma magbaghara bu nke Gi, Chineke nke Izrel.

**EKPERE MMEGHE**

Oseburuwa, biko nye anyi amara Gi, nke ga na-enyere anyi aka na-akwado anyi, k'anyi wee na-enwe aguu ime uche Gi. Site na Dinwenu anyi.

**IHE OGUGU NKE MBU – NDI EZE (II) 5:14-17**

***Isi Okwu: Naaman loghachiri n'ebe Elisha no, wee kwere na Dinwenu.***

N'usoro okwu Elisha, onye Chineke, Naaman manyere n'osimiri Jodan ugboro asaa, wee buru onye asachara oria ekpenta. Ahu ya biara di mirimiri ka ahu nwatakiri. Mgbe Naaman na ndi nile so ya loghachiri na be Elisha, Naaman guzooro n'ihu ya were kwuo si: "Ugbu a ka m jiri mara na e nweghi Chineke ozo n'uwa nile kariakwa n'ala Izrel. Biko, nara onyinye nke a n'aka nwodibo gi." Ma Elisha zara si: "N'aha Chineke di ndu, Onye m na-agbara odibo, agaghi m ana gi ihe o bula." O bu ezie na Naaman riosiri ya ike, ma Elisha juru aju. Naaman were kwuo si: "Ebe i na-ekweghi anara m ihe o bula, kwenu ka e kponye m aja si n'ala unu; aja inyinya ibu abuo nwere ike ibu, n'ihi na nwodibo gi enweghi ike ichunyere chi ozo aja nsure oku, ma o bu udi aja o bula. O bu so Chineke ka m ga-achunyere aja."

Okwu nke Oseburuwa.

Ekele diri Chukwu.

**ABUOMA NA AZIZA YA 97: 1-4**
**Aziza: 2**

***Aziza: Onyenweanyi egosila mba nile nzoputa Ya.***

1. Kweerenu Onyenweanyi ukwe ohuru n'ihi na O ruola oru ebube. Aka nri Ya di aso ewetala nzoputa . ***Aziza.***
2. Onyenweanyi egosila nzoputa Ya; O gosila mba nile ikpe Ya ziri ezi. O chetala ihunanya na eziokwu Ya maka ulo Izrel. ***Aziza.***
3. Uwa nile ahula nzoputa nke Chukwu anyi. Uwa nile, nuribanu na Chineke, tibenu mkpu onu, kwebenu ukwe otito. ***Aziza***.

**IHE OGUGU NKE ABUO TIMOTI (II) 2: 8-13**

***Isi Okwu: O buru na anyi akwudosie ike, anyi ga-esokwa Kristi na-achi!***

Chetakwa ozioma ahu m na-ebughari: 'Na Jesu Kristi, Onye bilitere n'onwu, si n'agburu Devid pulite.' O bu n'ihi ihe a, ka e jiri bo m ahuhu n'isi; nke na e kere m agbu, ka a ga-asi na, aru m mere bu e mebeghi. Mana ha enweghi ike ike ozi Chineke agbu. O putara na ana m edi ahuhu nile a, n'ihi ndi a hotara ahota; ka o wee

buru na n'oge ikpeazu, ha ga-enweta nzoputa ahu no n'ime Kristi Jesu; na otito na ebube di ebighi ebi, nke so ya na-aga.

Ihe a bu okwu anyi kwesiri idabere n'elu ya: O buru na anyi soro Ya nwuo, o putara na anyi ga-eso Ya adi ndu.

O buru na anyi jigidesie okwukwe anyi ike ruo na ngwucha, anyi ga-eso Ya achi.

O buru na anyi agonari Ya, O ga-agonari anyi.

O buru na anyi ekwesighi ntukwasi obi, O kwesiri ntukwasi obi, maka na O nweghi ike igonari onwe Ya.

Okwu nke Oseburuwa.

Ekele diri Chukwu.

**ALELUYA 1Thes. 5:18**

Aleluya, aleluya! Na-enyenu ekele n'ihe nile; Nke a bu mmasi Chineke maka unu nile n'ime Jesu Kristi Aleluya!!!

**OZIOMA LUKE 17:11-19**

***Isi Okwu: O nweghi onye n'ime ha nwere ike loghachi azu inye Chineke ekele karia nwoke a bu onye obia.***

Otu mgbe, Jesu si n'agbata Samaria na Galili na-aga Jerusalem. Mgbe O na-abanye n'otu obodo nta, ndi ekpenta iri zutere Ya. Ha guzopuru iche wee kpoo Ya: "Nna anyi! Jesu! Meere anyi ebere!" Mgbe O huru ha, O siri ha: "Gaanu, gosi ndi Ukochukwu onwe unu!" Mgbe ha na-aga n'uzo, ka O sachara ha oria ekpenta. Mgbe otu n'ime ha huru na a gwoola ya, o laghachiri were oke olu, na-enye Chineke otito. O biara daa n'ala n'ukwu Jesu, na-enye Ya ekele. Nwoke ahu bu onye Sameria.

N'ihi ya ka Jesu jiri juo si: "O bu na o bughi mmadu iri ka a gworo ekpenta? Olee ebe itolu ndi ozo no? O putara na o nweghi onye ozo loghachiri inye Chineke otito, ma o bughi onye a bu onye mba?" O wee si nwoke ahu: "Bilie, gaa nke gi, okwukwe gi azoola gi!"

Ozioma nke Oseburuwa.

Otito diri Gi, Kristi.

**EKPERE NHUNYE**

Onyenweanyi, biko, nara onyinye na aririo nke anyi bu ndi kwerenu. Site n'aja nke a di nso na ofufe nso anyi na-efe Gi, mee ka anyi bata n'otito nke eluigwe. Site na Kristi Dinwenu anyi.

**EKPERE ANATACHAA ORIRI NSO**

Dinwenu, anyi ji umeala ario ebube eze Gi; otu I si were Ahu na Obara nke a kacha nso zuo anyi, biko si otu ahu mee ka anyi soro rite oke n'ibu Chukwu nke Gi. Site na Kristi Onyenweanyi.